

# Onu ndi Afrika

**Mgbe:** Ubochi uka, ubochi iri abuo na asaa, n'afo 2020

**Elekere:** **Elekere ato n'ehihie** (nnoko ndi nkwado, maka ndi o masiri)

**Ndebanye:** Debanye aha gi ebe a maka ogbako Zoom

**Asusu:** Bekee, a tapiara na Siswati, Igbo, Lingala na French

**OGBAKO NTANETI**

Igerikota onwe anyi nti ka ndi Afrika  nsogbu Iju IÍÍlgwe mesara bu otu ngaraba Izu uka Ihu Igwe /COP26  di nkpa . Anyi choro akuko olileanya, uchu na obi isi ike-akuko ndi ga-ejikota anyi, kwalite anyi ma bulite mmuo anyi. O tosiri ka anyi korikota ka anyi si adoga n'ihe ibide si n'aka mgbanwo Ihu Igwe na ka ihe ndi a si emekuta kontinenti anyi, obodo anyi na ogbe anyi.

Onoko a, Onu ndi Afrika na-akpoku  ndi Afrika na-eke nkwucha  n'ihe gbasara Ihu Igwe, na ndi Afrika nile ka ha bia koo akuko ha na ndoga ha, muru ako ma nwe kwaa nghota puru iche gbasara oke nsogbu  mgbanwo Ihu Igwe butara. N'oge di iche iche n'ogbako a, ndi biara nu ga'enwe ohere ino abuo abuo gerite onwe ha nti. Site na nke a, onye o bula ga-enwe ohere itule ihe o nuru na mgbako a, koo akuko nke ya ma kwukwa ka oke nsogbu gbasara mgbanwo Ihu Igwe si emetu mmuo ha. Ikorita otu a bu otu uzo chara acha ga-akwalite mmuo anyi, uchu na ike nkwucha.

Ihe anyi na-acho bu:

1. Ime ka otutu ndi mmadu mata  oke nsogbu  na mmebi si na mgbanwo Ihu Igwe
2. Izoputa onwe anyi na mmegbu na mmekpa ndi ozo na-eme ka ndi mmadu buso onwe ha agha ma na-azo aku na uba
3. Ikwado onwe anyi ka anyi nwee ike ihazi nke oma, chekwaa ma hazie gburugburu ebe obibi.




# Oru SAL na UER

Sustaining All Life

United to End Racism

E nwere ike iwebite mmebi si n'aka ndi e kere eke gbasara mgbanwo Ihu Igwe ma hazikwaa gburu gburu ebe obibi-a ga-enwe nnukwu mgbanwo o buru na ihe a ga-eme. Nchekwado Ndu Nile(SAL) na Njikota ikwusi Nkewa nke agburu(UER) kwenyere na ogba aghara nke gburu gburu ebe obibi agaghi ebi ma o buru na-akwusighi nkewa nke agburu, nkpochapu ndi amaala, nkewa site na aku na uba, nkewa site ma i bu nwoke ma i bu nwanyi, na mmegbu ndi ozo. Onodu site na mmebi gburu gburu ebe obibi na mgbanwo Ihu Igwe na adakari n'isi ndi a, a na-emegbu na ndi ozo onu erughi n'okwu( ndi okenye, ndi ahu esighi ike, na umu ntakiri no na onodu a).

SAL na UER kwenyere na o buru na a ga-enwe otu kwu chim ga-akwusi ogba aghara nke mgbanwo Ihu Igwe, a ga-atotu ihe ndi mgbachi uzo ndi a:

1. Nkewa n'etiti obodo na obodo, na n'etiti otu ndi mmadu di iche site na mmegbu( atumatu site na nkewa nke agburu, nkpochapu ndi amaala na nkewa site na aku na uba)
2. E nweghi olileanya na obi nkorapu
3. i da mba n'ihe gbasara oke mmebi nke Ihu Igwe nke uwa
4. ihe ji anyi ileba anya ma ghotakwa ihe jikoro ogba aghara nke gburu gburu ebe obibi na usoro anyi si achu aku ba uba

Anyi achoputala na a na- emeri ihe mgbachi ndi a osiso site ka ndi mmadu na-adoputa onwe ha n'isi mgbaka na obi alili dakwasiri ha n'ime mmegbu na mmegide. Mme mme SAL na UER na-enye ndi mmadu ohere igerikota onwe ha nti ma kwado onwe ha ikujunata obi. Anyi enwezia ike iche echiche, kwuputa mmuo anyi, hazie, jikota aka ma duo ndi ozo n'ihazi uwa ga-ato ato.

SAL na UER bu arumaru otu "Re-Evaluation Counseling", nke no kitaa n'obodo iri teghete na ise. Ha ji ngwo oru Re-Evaluation Counseling aru oru.

Maka ozi ndi ozo:
www.sustainingalllife.org
www.unitedtoendracism.org

Sustaining All Life / United to End Racism
719 Second Ave. North, Seattle, WA 98109, USA
email: sal@rc.org • tel: +1-206-284-0311